# NTỤCHA USOROOKWU NKEBIOKWU NKWỤSO N'ASỤSỤ IGBO

**Nweze, Ifeoma M. (PhD)** [1]
Alex Ekwueme Federal University, Ndufu-Alike Ikwo,
Ebonyi State, Nigeria
ifeomanweze62@yahoo.com
08030965053
**Nwaoke, Emmanuel Emeka** [2]
Department of Linguistics and Nigerian Languages,
National Institute for Nigerian Languages, Aba
Abia State, Nigeria
nwaokebest@gmail.com
08061109362

**Ụmị edemede**
*Nchọcha a tụchara usoro nkebiokwu nkwụso dịka o si apụta ihe n'asụsụ Igbo. Ọ bụ eziokwu na e meela ụfọdụ nchọcha banyere nkeji nkwụso n'asụsụ Igbo mana e nwebeghị nchọcha pụtara ihe banyere usoro nkebiokwu nkwụso n'asụsụ Igbo. Nkwụso bụ okwu nke na-akọwakarị aha mana ọ naghị enwe echiche n'onwe ya n'ihi na echiche ya na-esite na mkpụrụokwu maọbụ ọgbaraokwu ọ kwụdebere nso n'ahịrịokwu. A na-ahụtakwa ya n'ụfọdụ ndoko maọbụ ewumewu Igbo. E mere nchọcha a site n'ịgbaso atụtụ Oke-X. Atụtụ a na-arụga aka nye akara, aha maọbụ osonye nke na-abụ a gbakwụnye na ndebiri nkeji asụsụ o mee ya nkeji nnọnetiti nke karịrị otu okwu ma pekarịa nkeji ahịrịokwu. Usoro ahịrịokwu Igbo dịzịrị adịzị bụ nke na-enwe usoro isi ahịrị-ngwaa-nnara mana mgbe e wubere usorookwu nkebiokwu nkwụso, ndokọ ya na-enwe mgbatị nkwụso nke dị na nkebiokwu nke e kwesiri ịkpọ nkeji mkpọaha. A na-enwe ụdị ndokọ a n'ihi mgbatị nkwụso nke dị na nkebiokwu ahụ. Anyị hụtakwara na nkebiokwu nkwụsọ na-eji mkpụrụokwu dị na nkejiasụsụ ndị ọzọ dịka mkpọaha, nkọwa, aha nkọwa, ọnụọgụ dg arụ ọrụ.*

**Ọkpụrụkpụ okwu:** Usorookwu, ụtọasụsụ, nkebiokwu nkwụso, atụtụ Oke-X

## 1.0 Mkpọlite

Asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ atọ ndị kacha pụta ihe n'ala Naijịrịa. Ọ bụ asụsụ a na-asụ na mgbada ọdịda anyanwụ ala Naijịrịa. Ọ bụ asụsụ ụdaolu nke nwere ụdaolu elu, ụdaolu ala na ụdaolu nsụda. Ọ bụkwa asụsụ nwere olundị dị iche iche ndị mebere ya. Olundị ndị ahụ na-enwetụ ndịiche mana ọtụtụ n'ime ha nọ n'ọnọdụ nghọtarịta; ọ bụ nke a mere e ji sị na Igbo na-asụ n'olu n'olu ma ha kwaa ụkwara ọ bụrụ otu. N'agbanyeghị na asụsụ Igbo nwere ọtụtụ olundị dịka anyị siri kwupụta na mbụ, nchọcha a ga-agbakwasị ụkwụ n'asụsụ Igbo Izugbe. Amụmamụ asụsụ, dịka nke a, gbakwasịrị ụkwụ nke ukwuu ebe amụmamụ usorookwu nọ. Usorookwu bụ alaka amụmamụ asụsụ nke na-elekwasị anya nke ọma etu e si eji mkpụrụokwu na mkpụrụechiche dị iche iche ewube ahịrịokwu ndị dịzịrị adịzị. Ọ na-elebakwa anya na ndokọ nkebiokwu, nkebiahịrị, na ahịrịokwu. Ọ bụ nke a mere amụmamụ usorookwu ji bụrụ isi sekpu ntị mgbe a na-atụcha ụtọasụsụ ọbụla. Mbah (2018) dere na amụmamụ ụtọasụsụ na-enye aka ezipụta ụdịdị ewumewu maọbụ ndokọ dị iche iche ọgbaraokwu nwere ike iwere n'asụsụ. Ya mere, ụtọasụsụ ji bụrụ nke na-eleba anya na ndokọ iwu ndị na-achịkwa mwube ọgbaraokwu dị iche iche. Ọ bụ ya mere amụmamụ ụtọasụsụ ji emetụta alaka amụmamụ asụsụ dị iche iche dịka amụmamụ ụdaasụsụ, amụmamụ mmebeokwu, amụmamụ

usorookwu na amụmaechiche. Ebe ọ kacha apụta ihe bụ n'amụmamụ usorookwu n'ihi na ọtụtụ ihe a na-eme n'alaka ndị ọzọ na-apụta ihe n'usorookwu ma sizie etu ahụ zipụta echiche.

Usorookwu dịka alaka amụmamụ asụsụ na-atụcha nchịkwa na mkpụrụokwu ndị mejupụtara ahịrịokwu na-elebakwa anya na nhazi abụmisi mkpụrụokwu dị iche iche. N'asụsụ ebe isi nkebiokwu na-ekpe azụ, mkpụrụokwu ndị bu ụzọ na-arụ ọrụ nkọwa maọbụ mmeju nye isi nkebiokwu ahụ ebe asụsụ isi nkebiokwu na-ebu ụzọ na-enwe mkpụrụokwu ndị ọzọ na-esochi ya dịka nkọwa maọbụ nchịkwa. Ụfọdụ asụsụ na-enwe ohere inwe isi nkebiokwu ndị na-ebu ụzọ ma nwekwaa ebe isi nkebiokwu ahụ na-ekpe azụ. Ọ bụ ụdị ọnọdụ a mere nchọcha a ji were chọọ ịtụchapụta mmekọrịta na-adị n'etiti isi nkebiokwu na mkpụrụokwu ndị ọzọ na-arụ ọrụ nkọwa maọbụ mmeju na ha. Nchọcha a na-atụcha usorookwu nkebiokwu nkwụsọ n'asụsụ Igbo.

## 2.0 Mbunuche nchọcha

Mbunuche nchọcha a bụ inye nkeji nkwụso (ọ bụ nkwụsọ ka ọ bụ nkwụso?) ebe kwesiri ya n'amụmamụ usorookwu Igbo. Nke a bụ maka na nkwụso so na mgbatị usorookwu asụsụ Igbo; ọ dị mkpa na a tụchara ọnọdụ na mmekọrịta ha na mkpụrụokwu ndị ọzọ nke ọma n'ahịrịokwu Igbo. Ya mere nchọcha a ga-enye aka zipụta nkejiasụsụ Igbo ndị na-arụ ọrụ nkwụso ma zipụtakwa nhazi na ọnọdụ ha n'ahịrịokwu.

## 2.1 Usoro nchọcha

Nchọcha a na-eme bụ nke nkọwasị. Ndị ọchọcha bụ ndị Igbo bụrụkwa ndị mara asụsụ ahụ nke ọma. Ọ bụ ya mere o ji dịịrị ha mfe ịchọpụta ma nweta ahịrịokwu Igbo ebe e nwere nkebiokwu nkwụso. Ha nwetara njatule site n'ileru anya n'ahịrịokwu Igbo ndị ha marala nakwa ndị nke ha nụrụ n'ọnụ ndị ọzọ ndị na-ezipụta usoro nkebiokwu nkwụso n'asụsụ Igbo. Ha lebara anya n'akwụkwọ ọgụgụ ndị e bipụtara ebipụta na ndị e nwetara site n'amasaịba (Internet) ndị ha sitere na ha tụchaa ma tụlegharịa ihe ndị ọzọ merela banyere usoro nkebiokwu nkwụso n'asụsụ nakwa olundị ọzọ dị iche iche. E mere nchọcha site n'ịgbaso atụtụ Oke-X.

## 2.2 Atụtụ Oke -X

Otu ọrụ atụtụ na-arụ n'amụmamụ usorookwu asụsụ ọbụla bụ izipụta etu e si ewube ahịrịokwu na ọgbaraokwu ndị ọzọ site na njikọ mkpụrụokwu dị iche iche. Amụmamụ atụtụ Oke-X dịka Mbah (2008) sịrị dee, pụtara ihe mbụ na nchọcha Harris Zellig mere n'afọ 1951. A nabatara atụtụ a n'ihi na Iwu Mwube Nkebiokwu (IMN) {*Phrase Structure Rule (PSR)*} enwenwughị ike izipụta ụfọdụ agwara jikọrọ asụsụ mba ụwa. Ka ọ dị, nchọcha Chomsky (1970) na Jackendoff (1974, 1977) na ntụchapụta ha soro na ihe mere e ji nabata atụtụ Oke-X maka amụmamụ asụsụ mba ụwa. Atụtụ a bụ nke kwadoro ma na-enwe mgbatị ndịnetiti. A na-agbatị ndokọ ọgbaraokwu nke karịrị otu mkpụrụokwu ma pekarịa nkebiokwu. Akara e ji ezipụta atụtụ Oke-X bụ $X^1$. A bịa na $X^1$, X na-anọchite anya mkpụrụokwu ebe akara oke dị n'elu ya na-ezipụta na e nwere oke mkpụrụokwu na-agafe tupu e si n'ọnọdụ ya gbatịa ya ruo na nke nkebiokwu. Mbah (2011) dere na nkebiokwu ọbụla bụ nke a na-enweta site na mmekọrịta na mbugo a na-ebugo mkpụrụokwu ndị mejupụtara ya. Ya mere $X^n$ ji achịkwa $X^{n-1}$ gbadaa ruo na $X^0$. O kwukwara na $X^0$ bụ mkpụrụokwu ebe $X^1$, $X^{11}$ na $X^{111}$ nọ n'ogo mgbatị ndịneetiti mana $X^n$ nọ n'ogo nkebiokwu nke bụ ogo kasị na nkebiokwu ọbụla.

Atụtụ a kwenyere na nkebiokwu ọbụla kwesiri inwe nzi (specifier). Ọrụ nzi bụ ịkọwa ma na-eburu okwu ọzọ ụzọ na nkebiokwu. Anaghị ezipụta nzi ugboro ugboro dịka e si eme iwu nchịkwa atụtụ

Oke-X nye mgbatị mkpụrụokwu ndị ọzọ. Ya mere, a na-enwe otu nzi etu ahụ e si enwe otu isi na nkebiokwu ọbụla. Atụtụ a dabara nke ọma nye nchọcha a n'ihi na ọ bụ mmekọrịta bụ ụdọ na-ejikọ mkpuruokwu na nkebiokwu ndị ha na-esonye; ọ bụkwa mmekọrịta a na-ahụta n'etiti nzi na mkpụrụokwu ndị ọzọ na-esochi ya nakwa ndanusoro na agwara asụsụ dị iche iche bụ isi sekpụ ntị nye nkebiokwu nkwụso n'asụsụ Igbo.


**3.0 Ntụleghari agụmagụ**

Ubahaekwe (1982) kwuru na asụsụ niile nwere usoro ndokọ na nhazi mkpụrụokwu maọbụ usorookwu. N'asụsụ Igbo, ọ bụghị mkpụrụokwu niile na-agakọrịta ma daba adaba. Ọ bụ ya mere e ji nwee amụmamụ usorookwu ma nwekwaa iwu ndị na-achịkọta usoro ahụ iji wepụta ụtọ a tụrụ anya ya.  Usorookwu na-ahụ maka ndokọ mkpụrụokwu ndị ahụ ma sitekwa n'ụzọ ahụ zipụta ahịrịokwu maọbụ ọgbaraokwu ndị dịzịrị adịzị, ebe ụtọasụsụ na-ahụ na mkpụrụụdaasụsụ, mkpụrụasụsụ na mkpụrụokwu di iche iche ndị a haziri n'ogo dị iche iche nwere nrube isi nye iwu na-achị nhazi ha.

Mbah (2012) dere na mgbe amụmamụ usorookwu malitere, a hụtara ya dịka ụtọasụsụ mana nke bụ eziokwu bụ na ha abụọ nwere ndịiche pụtara ihe n'ihi na usorookwu nwere ebe ọ malitere ma nwekwaa ebe ọ kwụsịrị n'amụmamụ asụsụ n'agbanyeghị na ọ dị mkpa n'amụmamụ asụsụ. Usorookwu na-eleba anya n'amụmamụ abụm isi, nhazi okwu n'usoro o kwesiri, mgbanwe na iwu dị iche iche ndị na-achị ma na-ahazị ndokọ dị iche iche. Nwala (2004) kwuru na ọ bụ eziokwu na ọtụtụ mmadụ na-ahụta ma na-akọwa ụtọasụsụ n'ụzọ dị iche iche mana otu ihe doro anya bụ na ụtọasụsụ na-emetụta ma na-achịkwa agwara asụsụ niile malite na mkpụrụụda ruo na ndokọ ahịrịokwu. Mbah na Mbah (2014) dere na usorookwu agabigala agba atọ n'ọmụmụ asụsụ. Agba nke mbụ na-ahụ maka ọdịdị usorookwu na etu e si ekeji ha na mpaghara dị iche iche ebe nkeji nke abụọ na-ahụ maka mmebe iwu na-achịkwa ma na-ezipụta ụzọ kasị mma a ga-eji kọwaa ndokọ ndị nwere otu ọdịdị nhazi. Nke atọ bụ nke chọrọ izipụta ụzọ kasị mma iji si n'ọtụtụ iwu mebepụta ole na ole ga-egbo mkpa iwu ndokọ asụsụ.

Amụmamụ usoro nkebiokwu nkwụso na-agbadokarị ụkwụ na nkebiokwu. Nkebiokwu bụ mkpụrụokwu abụọ maọbụ karịa a gakọrọ ọnụ n'usoro dịzịrị adịzị nke nwere otu echiche ma na-egosikwa otu nkeji asụsụ dịka ọrụ ha n'asụsụ si dị. Nkebiokwu ọbụla na-enwe nkeji abụọ: isi na mmeju. Isi ya na-abụ nke iwu ndokọ asụsụ na-enyenwu ohere ịkwụrụ ma zipụta echiche nkebiokwu ahụ niile ebe mmeju ya bụ mkpụrụokwu maọbụ ọgbaraokwu nke/ndị na-enyere isi aka izipụta echiche na ọrụ ya dịka o si dị n'asụsụ. Mbah (2012) dere na nkeji ọbụla na-enwe isi nke na-achịkwa ma na-ezipụta ụdịdị ya. Carnie (2007) kwuru na a bịa n'ụtọasụsụ ọdịnaala, a na-ahụta nkwụso dịka nkeji nrụmọrụ nke mere na a naghị agbatinye ha dịka nkebiokwu. Site n'ịgbaso nzọụkwụ Stowell (1981) nke zipụtara isiahịrị mmeju (Complementizer) na Chomsky (1986a, 1986b) tụtara aro maka iji mgbakwụnye ụtọasụsụ (Inflection) mee isi ahịrịokwu, Abney (1987) tụchara nkebiokwu mkpọaha na nkebiokwu ngwaa ụtọasụsụ mgbanwe were tụchapụta ma wube nkebiokwu nkwụso. Iji zipụta nkebiokwu nkwụso nke ọma, ọ kọwara echiche na usorookwu ụfọdụ nkebiokwu mkpọaha na nkebiokwu ngwaa ndị nwere otu ndokọ. O mere nke a site na ịgbaso atụtụ Oke-X. Nchọpụta nchọcha ya nyere aka wube Ụmaokwu Nkebiokwu Nkwụso (DP Hypothesis). Ọ gara n'ihu kwuo na nkebi usorookwu dị iche iche na-enwe isi; nkwụso bụ isi nkebiokwu nkwụso nke na-ewere nkebiokwu mkpọaha dịka mmeju. O nyere eserese dị n'okpuru iji kwadoo nkwenye ya.

**Eserese 1: Eserese Ụmaokwu Nkebiokwu Nkwụso (DP Hypothesis) nke Abney (1987)**





**3.1 Nchọcha e merela banyere isi okwu a**

Zamparelli (2000) dere na Nkebiokwu Nkwụso (NNKW) na-abụkarị nkeji nke na-ezipụta nkebiokwu mkpọaha. O kwukwara na ọ bụ otu ahụ e si enwe Nkeji Mkpọaha (NM) na Nkeji Ngwaa (NN) n'ime otu ahịrịokwu ka e si enwe NM n'ime NNKW. Basweti1, Shroeder, Hamu na Omwenga (2014) mere nchọcha banyere asụsụ Ekegusii nke a na-asụ n'ọdịda anyanwụ Kenya. Ha gbasoro atụtụ mwunantọ (Minimalist Programme) iji zipụta ndanusoro dị n'etiti ahịrịokwu na nkebiokwu nkwụso dị na ya. Nchọcha ha gosiri na nkebiokwu nkwụso bụ nke e sitere na nkebiokwu mkpọaha were tụchapụta. Ha kwuru na ha gbasoro nzọ ụkwụ Abney (1987) nke kwuru na e nwere isi na-arụ ọrụ ndanusoro (AGR functional head) na nkebiokwu mkpọaha ọbụla. Abney kwukwara na nkebiokwu nkwụso nwekwara ike ịbụ alaka nkebiokwu mkpọaha dịka e si ahụta ya n'isi nkebi ahịrị INFL. Basweti1, Shroeder, Hamu na Omwenga (2014) gara n'ihu kwuo na a bịa n'asụsụ Ekegusii, nkeji mkpọaha (NM) abụghị nke a na-ahapụ maọbụ ewepụ mgbe a na-enwe nkwekọrịta ngwaa (argument) n'ihi na mgbe NM gbatịchara nkebiokwu arụmọrụ nkwuso (functional DP), NM ahụ na-arụzị ọrụ mmeju dịka ọ dị na: O – mo – te o – yo. Basweti na ndị otu ya (2014) kwukwara na nkwekọrịta ngwaa maka ndanusoro (NDA) na nkwụso nke a na-ahụta na NNKW nke ahịrịokwu na-ezipụta na e nwere NDA na ngosi oge (NGO) bụ ndị e nwere ike izipụta dịka ọ dị n'ahịrị dị n'okpuru.


**Eserese 2: Nzipụta nchịkwa na ndanusoro Nkebiokwu Mkpọaha na Nkwụso n'asụsụ Ekegusii.**

"This tree"




**Nsirinweta** Tree oeder, I this ga (2014:92–93)

**Eserese 3: Nzipụta nchịkwa na ndanusoro Nkebiokwu Nkwụso n'asụsụ Ekegusii.**




o-mo-te o-yo AGR o – ne

Tree this mine

3NDA.-Osisi a 3NDA 3NDA - nke m

Osisi a bụ nke m

**Nsirinweta:** Basweti, Shroeder, Hamu, & Omwenga (2014:93).

Site na nhazi, ha nyere nkebiokwu nkwụso n'eserese osisi abụọ a dị n'elu, o gosiri na asụsụ Ekegusii na nke Igbo nwetụrụ myiri na nhazi ha. Ha kwukwara na ọ dị mkpa ka a mata na nchọpụta ọrụ mkpọaha na-arụ n'ahịrịokwu bụ nke a na-eme site n'ibugharị mkpọaha n'ahịrịokwu ebe ọrụ ngwaa na-apụtakwa ihe site na mbugharị a na-ebugharị ya n'ahịrị. Willson (1998) chọpụtara na nhazi usorookwu nkwụso n'asụsụ Marshallese bụ nke anaghị adaba n'usoro nhazi ahịrịokwu asụsụ ahụ. O kwuru na ọtụtụ ahịrịokwu asụsụ ahụ na-adị n'usoro isi ahịrị, ngwaa na nnara (INgNn) nke

na-egosi na asụsụ ahụ bụ nke isi ahịrị na-ebu ụzọ n'ahịrịokwu. Mana a bịa n'otu asụsụ ahụ (Marshallese), nkebiokwu nkwụso bụ nke na-enwe usoro Mmeju nke isi ahịrị na-esochi nke na-eme ka asụsụ ahụ bụrụ nke e nwere ike ịhụta dịka asụsụ isi ahịrị na-ekpe azụ n'ahịrịokwu. O nyere ọmụma atụ ndị a iji kwadoo ihe o kwuru:

1a. pinjel *eo* "mkpịsị odee ahụ"
mkpịsịodee *ahụ*
b. leddik *ro* "ụmụaka ndị nwaanyị ahụ"
nwatanwaanyị ahụ *ndị*

Willson (1998) kwenyere na ihe mere isi ahịrị ji ekpe azụ na nkeji nkebiokwu nkwụso bụ maka ọnọdụ e siri mebe ha. O kwukwara na a bịa n'asụsụ Marshallese, isi ahịrị mmeju (complementizer), nkebi ahịrị mbuzọ na nke mkpọaha bụcha ndị isi ha na-ebu ụzọ. O kwukwara na usorookwu nkebi ahịrị nkwụso n'asụsụ ahụ bụ nke isi ahịrị ya na-ekpe azụ n'ihi mbugharị a na-ebugharị NM site n'ọnọdụ Mmeju jee na nke nzi (specifier).

Obasi (2011) dere na ụfọdụ asụsụ ala Naijirịa na-eme ka asụsụ Marshallese nke Willson (1998) kwuru maka ya; asụsụ ndị ọ rụtụrụ aka gụnyere asụsụ Igala, Yoruba na Tiv. Ọmụma atụ ndị o nyere iji kwadoo nke a gụnyere:

**Ịgala**

2a. uni ki rura "ulọ mara mma"
ụlọ nke mma
b. one onẹmẹlẹ "ezigbo mmadụ"
onye ezigbo
ch. I yale ule yẹyẹ. "Ọ na-aga nwayọọ nwayọọ".
Ọ na-eje/na-aga nwayọọ nwayọọ

**Yoruba**

3a. ile dara dara nọọ "ọmarịcha ụlọ ahụ"
ụlọ ọmarịcha ahụ
b. ikan ninu awon ile re "ụlọ ya nke ọbụla/niile"
nke n'ime niile ụlọ ya
ch. gbogbo ile nọọ "ụlọ ahụ dum"
dum ụlọ ahụ

**Tiv**

4a. kpatema la "nwamba ahụ"
nwamba
b. or mom "otu nwoke"
ahụ nwoke otu

**4.0 Usoro Nkebiokwu Nkwụso n'asụsụ Igbo**

Mbah na Mbah (2014:80) dere na atụtụ usorookwu "na-ekwu na asụsụ ọbụla nwerịrị ụzọ o si ahazi okwu n'ụtọasụsụ ya iji mepụta ahịrịokwu nwere echiche." Asụsụ ọbụla ga-enwerịrị ụzọ o si ahazị mkpụrụokwu ya n'ime ahịrịokwu ịhụ na mbunuche nzikọrịta ozi bụ nke pụtara ihe. Ha kwukwara na "nhazi usoro gụnyere ka nkeji asụsụ dị iche iche si eso onwe ha n'imebe ahịrịokwu nwere echiche." Ha kọwara asụsụ Igbo dịka otu n'ime asụsụ ndị nwere usoro isi ahịrị, ngwaa na nnara. Ka anyị tulee etu nrụmaka, ngụnọnụ, nnwe, nkọwaaha na aha nkọwa si arụ ọrụ nkwụso ma na-enye aka iwube nkebiokwu nkwụso n'asụsụ Igbo.

### 4.1 Nrụmaka dịka nkwụso n'usoro nkebiokwu nkwụso Igbo

Nrụmaka asụsụ Igbo dịka ọtụtụ nrụmaka ndị a na-ahụ n'asụsụ ndị ọzọ na-arụ ọrụ nkwụso n'ọgbaraokwu dị iche iche. Anyị ga-atụchapụta ha n'usorookwu ma zipụta ọrụ ha na nkebiokwu nkwụso.

| | |
|---|---|
| 5a. Nkịta a (gbafuru) | b. Ego ahụ/ a |
| Mkp Nr Ngw NgNd | Mkp Nr |
| ch. ịchafụ a/ahụ | d. Akwụkwọ ndị ahụ |
| Mkp Nr | Mkp Nnọ Nr |

Nrụmaka na-adị esochi mkpọaha ọ na-akọwa na nkebiokwu nkwụso. *Ahụ/a* ndị pụtara ihe na nkebiokwu nkwụso ndị dị n'elu na-arụ ọrụ dịka isi ahịrị n'ihi na Igbo na-agbaso usoro mmeju-isi na nkebiokwu nkwụso.

### 4.2 Ngụnọnụ dịka nkwụso n'usoro nkebiokwu nkwụso Igbo

Ngụnọnụ bụ nkwụso ndị ahụ e ji ezipụta ọnụọgụ mkpọaha na nkebiokwu maọbụ ahịrịokwu. Ndị e nwere n'asụsụ Igbo gụnyere ọtụtụ, ụfọdụ, niile, dum, ncha, na imerime. Ọmụmaatụ:

| | | |
|---|---|---|
| 6a. azụ niile, | ọrụ dum, | unu ncha |
| Mkp Ng | Mkp Ng | Mkp Ng |
| b. oge ụfọdụ, | ọtụtụ mmadụ, | imerime nnụnụ |
| Mkp Ng | Ng Mkp | Ng Mkp |

Nkwụso ndị a na-arụ ọrụ ngụnọnụ na-ezipụta ụbara nye mkpọaha ndị ọ na-akọwa. Ngụnọnụ ndị dịka niile, dum na ncha na-adị esochi mkpọaha ndị ha na-akọwa n'ọnọdụ niile mana ndị ọzọ dịka ụfọdụ nwere ikike ịgbanwerịta ọnọdụ dịka ọ dị na:

| | |
|---|---|
| 7.a. ụfọdụ ego | b. ego ụfọdụ |
| Ng Mkp | Mkp Ng |

Agaghị eji maka 'ụfọdụ' sị na asụsụ Igbo na-anabata mbugharịta maọbụ mgbanwerịta ọnọdụ mkpọaha na nkwụso na nkeji okwu nkwụso n'ihi na ọ bụ naanị ya ka a tụchapụtara dịka ngụnọnụ igbo pụrụ ime nke ahụ. Etu o sịla dị, mgbe e ji ọnụọgụgụ ezipụta ngụnọnụ, ha na-agbasokwa ụdị ọnọdụ a a hụrụ n'elu dịka ọ dị na:

| | | |
|---|---|---|
| 8a. Ewu abụọ | b mmadụ ise | ch. Akụpe asaa |
| Mkp Ng | Mkp Ng | Mkp Ng |

Mana mgbe ọnụọgụgụ e nwere n'ahịrịokwu ahụ bụ otu, ọ na-agbanwerịta ọnọdụ ya na nke Mkpọaha ọ na-akọwa n'asụsụ ahịrịokwu ahụ mana nke a anaghị eme ka ụfọdụ nke nwere ike ịnọ n'aka nri maọbụ aka ekpe. Ya mere: *otu ewu* ji daba mana **abụọ ewu* adabaghị.

### 4.3 Nnọchiaha nnwe dịka nkwụso n'usoro nkebiokwu nkwụso Igbo

Nnọchiaha nnwe bụ mkpụrụokwu/nnọchiaha ndị ahụ e ji ezipụta onye nwe ihe a na-ekwu maka ya n'asụsụ Igbo. Ihe onwunwe ahụ ọtụtụ mgbe na-abụ mkpọaha. Ya mere, mgbe e zipụtara ha n'ahịrịokwu, a na-eji nnọchiaha (maọbụ mkpọaha) nnwe ndị na-arụ ọrụ nkwụso were na-ezipụta ha dịka ọ dị na:

| | | |
|---|---|---|
| 9a. ego gị | b. ọkụkọ m | ch. nwanne ya |
| Mkp Nnọ | Mkp Nnọ | Mkp Nnọ |
| d. ụlọ anyị | e. Akwụkwọ Abuchi | |

Mkp Nnọ Mkp Mkp

Nnọchiaha ndị dị na a – d na-arụ ọrụ nkwụso ebe 'Abuchi' na-arụkwa ụdị ọrụ ahụ na 'e' ka aha nkọwa. Ọtụtụ mgbe, ọ na-abụ e were mkpọaha dịka nkwụso, ọ pụta ihe dịka aha nkọwa.

**4.4 Aha nkọwa dịka nkwụso n'usoro nkebiokwu nkwụso Igbo**

Aha nkọwa bụ mkpọaha ndị ahụ e ji akọwa mkpọaha ibe ha. Ha bụ mkpọaha ndị ahụ na-arụ ọrụ nkọwaaha n'ọgbaraokwu. Ọ bụ ụdị ọrụ ahụ ha na-arụ ka e ji akpọ ha aha (mkpọaha) nkọwa.

| | | |
|---|---|---|
| 10a. ose Nsụka | b. osikapa Abakaliki | ch. ọgụ Ezaa |
| Mkp Ahnkọ | Mkp Ahnkọ | Mkp Ahnkọ |
| d. ji Anam | e. oyi Jọsụ | f. mmanya nkwụ |
| Mkp Ahnkọ | Mkp Ahnkọ | Mkp Ahnkọ |

**4.5 Nkọwaaha dịka nkwụso n'usoro nkebiokwu nkwụso Igbo**

Nkọwaaha bụ mkpụrụokwu na-akọwa mkpụrụokwu ọzọ sonyere ya na ndokọ. Ọ na-akọwakarị mkpọaha maọbụ nnọchiaha. Ọ na-apụtakwa ihe n'ụzọ abụọ doro anya: nkọwa ndiso na nkọwa ndite. Nkọwa ndiso bụ ụdị nkọwa a na-ahụta mgbe nkọwaaha nọdobere mkpụrụokwu ọ na-akọwa ebe nkọwa ndite bụ ọnọdụ a na-ahụta mgbe nkọwaaha mafenyere na nkebiokwu ngwaa nọrọ ebe ahụ na-akọwa okwu nọ na nkebiokwu mkpọaha. Nkọwaaha na-arụ ọrụ nkwụso naanị mgbe ọ nọ n'ọnọdụ ndiso. Lee ọmụmaatụ nkebiokwu nkwụso ndị e ji nkọwaaha ndiso wube:

| | | |
|---|---|---|
| 11a. nkịta ojii | b. ụlọ ọma | ch. agwa ọjọọ |
| Mkp Nkọ | Mkp Nkọ | Mkp Nkọ |
| d. uwe nta | e. obere mmadụ | f. nkanka oche |
| Mkp Nkọ | Nkọ Mkp | Mkp Nkọ |
| g. ajọ nwoke | gb. ụkwụ ogologo | |
| Mkp Nkọ | Mkp Nkọ | |

Ka ọ dị, nkọwaaha ndị nọ na 'a – e' na-esochi mkpọaha ndị ha na-akọwa ebe ndị a hụtara na 'e – g' bụ ndị mkpọaha ha na-akọwa na-esochi. Nke nọ na 'gb' nwere ikike ịgbanwerịta ọnọdụ ya dịka ọ dị na:

| | | |
|---|---|---|
| gb'. | ụkwụ ogologo | ogologo ụkwụ |
| | Mkp Nkọ | Nkọ Mkp |

Nke a gosiri na asụsụ Igbo na-enwetụ ohere inwe isi nkebiokwu ndị na-ebu ụzọ ma nwekwaa ebe isi nkebiokwu ahụ na-ekpe azụ. Mana ọ bụ naanị nke a (ogologo) ka anyị tụchapụtara na nkọwaaha igbo niile. (kedụ maka nkanka? – nkanka oche, oche nkanka)

**5.0 Nchịkọta na Mmechi**

Nchọcha a bụ nke kọwara ma zipụta usorookwu nkebiokwu nkwụso dịka o si apụta ihe n'asụsụ Igbo. Nchọcha a bụ ihe imepe anya nye amụmamụ asụsụ Igbo n'ihi na o mere ka a mata na nkwụso na-ezipụta mkpọaha n'ụzọ dị iche iche ma were ohere ahụ wube nkebiokwu nkwụso. A gbasoro atụtụ Oke-X were mee nchọcha a. Nkejiokwu ndị a na-ejikọ ha na mkpọaha ọnụ tupu e nwee ike iwube nkebiokwu nkwụso gụnyere nrụmaka, ngụnọnụ na nnwe. Usorookwu ahịrịokwu Igbo dịzịrị adịzị bụ nke na-enwe usoro *isi ahịrị-ngwaa-nnara (I-Ngw-Nn)* mana mgbe e wubere usorookwu nkebiokwu nkwụso, a na-enwe mgbatị nkwụso nke dị na nkebiokwu nke e kwesịrị ịkpọ nkeji

mkpọaha. A na-enwe ụdị ọnọdụ a n'ihi mgbatị nkwụso nke dị na nkebiokwu ahụ. Anyị hụtakwara na nkebiokwu nkwụsọ na-eji mkpụrụokwu dị na nkejiasụsụ ndị ọzọ dịka ọnụọgụ, mkpọaha, aha nkọwa, nkọwaaha, dg arụ ọrụ. Ọzọkwa, asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ ndị ahụ na-enwetụ ohere inwe isi nkebiokwu ndị na-ebu ụzọ ma nwekwaa ebe isi nkebiokwu ahụ na-ekpe azụ mana naanị ebe nke a pụtara ihe bụ na mkpụrụokwu abụọ: ụfọdụ na ogologo. Ebe nke ahụ n'abụghị agwara zuru asụsụ Igbo ọnụ, ọ gaghị adị mma ma e jiri maka mkpụrụokwu abụọ a were sị na asụsụ Igbo na-anabata mbugharịta maọbụ mgbanwerịta ọnọdụ mkpọaha na nkwụso na nkeji okwu nkwụso.

**Nkọwasị ndebirisi**

| | |
|---|---|
| Ahnkọ | Ahankọwa |
| I | Isiahịrị |
| Mkp | Mkpọaha |
| NDA | Ndanusoro |
| Ng | Ngụnọnụ |
| NGO | Ngosi oge |
| Ngw | Ngwaa |
| Nkọ | Nkọwaaha |
| NM | Nkeji mkpọaha |
| NNgw | Nkeji ngwaa |
| Nn | Nnara |
| NNKW | Nkebiokwu nkwụso |
| Nnọ | Nnọchiaha |
| Nnw | Nnwe (nnọchiaha nnwe) |
| Nr | Nrụmaka |

**Edensibịa**


Abney, S. (1987). The English Noun Phrase in its Sentential Aspect. Ph.D Dissertation, Cambridge, Mass: MIT

Basweti, N.O. (2005) A Morphosyntactic Analysis of Agreement in Ekegusii in the Minimalist Program. Unpublished MA Dissertation. University of Nairobi.

Basweti1, N. O., Shroeder, H., Hamu, H. J. & Omwenga, L. M. (2014). The Ekegusii Determiner Phrase Analysis in the Minimalist Program. *International Journal of Linguistics and Communication* Vol. 2, No. 4, pp. 85-105

Carnie, A. (2007). *Syntax: A Generative Introduction.* Oxford: Blackwell

Chomsky, N. (1970). "Remarks on nominalizations," in Jacobs, R. and P.S. Rosenbaum (eds). *Reading in English Transformational Grammar.* Waltham, M.A: Grinn and Co.

Harris, Z. S. (1951). *Methods in Structural linguistics.* Chicago: University of Chicago press

Jackendoff, R. (1974). *Introduction to $X^1$ Convention.* Indiana: Indiana University Linguistics Club

Jackendoff, R. (1977). *X syntax: A study of Phrase Structure.* Cambridge: MIT Press

Mbah B. M. na ndị ọzọ (2013) *Igbo Adị Igbo-English English-Igbo Dictionary of Linguistics and Literary Terms*. Enugu: University of Nigeria Press

Mbah, B. M. (2008). "On X-Bar Syntax," in Mbah, B. M. and E.E. Mbah (eds). *History of Linguistics and Communication: A Festschrift in Honour of Professor P.A. Nwachukwu.* Nsukka: Paschal Communications.

Mbah, B. M. (2012). *GB Syntax: Theory and Application in Igbo.* Enugu: Catholic Institute for Development, Justice and Peace.

Mbah, B.M. & E.E. Mbah (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Mbah, B.M. (1999). *Studies in Syntax: Igbo Phrase Structure.* Nsukka: Prize Publishers.

Mbah, B.M. (2006). *GB SYNTAX: Theory and Application to Igbo.* Enugu: St. Jon-Afam Publications.

Mbah, B.M. (2018). *Generalised Igbo Syntax*. Awka: Amaka Dreams Ltd

Nwala, M.A. (2004). *Introduction to Syntax: The Students' Guide.* Abakaliki: Wisdom Publication Ltd.

Nweze, I. M. (2014). Determiner Phrase in Igbo. *International Journal of Social science and Humanities Review* (IJSSHR). Oteh, C.O (Ed.) Vol. 4 No3 Pp 94 - 107

Obasi, G. T. (2011). The Determiner Phrase in Igbo. *Journal of Linguistic Association of Nigeria.* 14 (2) Pp 235 – 247

Ubahaekwe, E. (1982). Thought channels of English Igbo biliguals: A syntactic analysis. Na F.C Ogbalu na E.N. Emenanjo. (Ohz). *Igbo language and culture* (vol.2) ihu 168 -180. Ibadan: Oxford University Press.

Zamparelli, R. (2000). *Layers in the Determiner Phrase*. University of Rochester.